# Ejije Edereede Dị Ka Ngwa Nzipụta Na Nchekwa Omenala Na Nkwenye Ndi Igbo: Ịleba Anya N'akwụkwọ Agumagụ Ejije *Ọkụ Ghara Ite Na Ụwa Ntọọ*

**Ọbịageli T. Nsolibe & Chidimma E. Ndefo**
Ngalaba Linguistics/Igbo
Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu Ke Igbariam

**Ụmiedemede**
N'oge ugbu a, ụfọdụ ndị na-etolite etolite amaghị ihe gbasara omenala na nkwenye ndị Igbo n'ihi oke nleghara anya na enweghị mmasị n'ebe omenala Igbo dị. Ọ bụ nsogbu dị otu a kpaliri mmụọ nwanchọcha ime nchọcha n'isiokwu a, iji gosipụta na e nwekwara ike iji akwụkwọ agụmagụ ejije chekwaa ma gosipụtakwa omenala na nkwenye ndị Igbo. Nwanchọcha bụ n'obi iji nchọcha a mee ka ndị Igbo hụ mkpa ọ dị ichekwa na ịgbasa omenala Igbo ọkachasị ndị ahụ na-enye aka ịhazi ndụ na akparamagwa ndị mmadụ. Nwanchọcha gbasoro atụtụ Kọlchọral Matịrịalizim, nke bụ echiche iji nyochaa ederede omenala, ma na-agba mbọ ijikọta agụmagụ ọbụla site n'oge e dere ya ma wepụtasịa omenala na nkwenye ndị pụtara ihe n'akwụkwọ agụmagụ ejije ndị a họọrọ. A chọpụtara na akwụkwọ agụmagụ ejije abụọ a họọrọ zipụtara ma chekwaa omenala na nkwenye ndị Igbo n'ozuzu oké, bụ nke na-enye aka ịhazi ndụ na akparamagwa ha. N'ikpeazụ, a tụrụ anya na nchọcha ga-abara ọhanaeze uru, n'ihi na ọ ga-eme ka ndị Igbo, ọkachasị ndị na-etolite etolite hụ mkpa ọ dị ịchekwaba omenala na nkwenye ha, n'ihi na, ọ bụ omenala ka e ji amata agbụrụ onye si na ya pụta.

## Okwu Mmalite

### Mgbakwasa Isiokwu

Agụmagụ dị ka ihe ọmụmụ bụ ọrụnka nke e chepụtara echepụta ma jiri asụsụ nka chọọ mma, nke e si na ya egosịpụta ma na-ahụ ndụ. O nwere ike ịdị n'ụdị ekwurunọnụ maọbụ edereede. Tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo, ndị Igbo nwere agụmagụ ha na-agụrụ onwe ha, nwee oge ha ji agụ nke ọbụla n'ime ha. Ihe ndị ọcha mere bụ iwebatara ha ka e si ede, bụ nke nyeere ha aka ịmalite agụmagụ edereede. Agụmagụ Igbo malitere n'oge gboo mgbe ndị Igbo malitere ndụ ha. Agụmagụ Igbo nwere nnukwu ngalaba atọ nke gụnyere; Akụkọ, Ejije na Abụ. N'ime ngalaba atọ a agụmagụ nwere ebe nhiwe isi nchọcha a ga-abụ n'ejije edereede Igbo.

Ejije bụ ijije mmadụ n'ihe ọ bụ na ihe ọ bụghị, ihe mmadụ na-eme na ihe mmadụ anaghị eme. Ihe e ji akpọ ya ejije bụ na n'ebe a, nwoke nwere ike ijije nwaanyị, nwaanyị nwekwara ike ijije nwoke, mmadụ nwere ike ijije anụmanụ. Isi sekpụ ntị n'ejije bụ emereme. Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ mmadụ emeela nchọpụta banyere ihe dị iche iche gbasara ejije dị ka ngalaba agụmagụ, nwanchọcha chọrọ ime nchọpụta nke ya ma nyochapụta ka ndị odee akwụkwọ agụmagụ ejije abụọ ndị ahụ a họọrọ si jiri ejije zipụta omenala na nkwenye ndị Igbo na kwa nchekwa ha. Nchọcha a ga-enye aka ịkpọlite mmụọ ndị hụrụ omenala na nchekwa Igbo n'anya, ndị nkụzi, ụmụakwụkwọ, ndị na-etolite etolite, ndị nnyocha agụmagụ na ọhanaeze ka ha nwee mmasị n'ebe agụmagụ ejije dị ma hụkwa mkpa ọ dị ichekwa omenala na nkwenye nd[ Igbo ka ọ ghara ifu maọbụ nwụọ pịị.

## Nnyocha Agụmagụ

### Ihe Bụ Agụmagụ

Agụmagụ bụ ọrụ nka nke sitere n'echiche pụta ma bụrụ nke e si na ya egosipụta ndụ n'ụdị akụkọ, abụ na ejije. Agụmagụ ọbụla ga-

enweriri nghọta izugbe ma nwekwaa nghọta pụrụ iche ma bụrụkwa ọrụ nka nke e si na ya akọwapụta ma na-ahụ ndụ.

Nsolibe (2011) kọwara na agụmagụ dị ka usoro dị iche iche ndị ji egosi obibi ndụ ha n'ụwa a ha hụrụ onwe ha. Ọ gara n'ihu kwuo na agụmagụ ndi nwekwara ike ịbụ enyo e ji ahụtakwa obibi ndụ ndị tụmadị ka omenala na usoro obibi ndụ ndi siri dị.

Nwankwọ (2019) na-akọwa na agụmagụ nwere ebumnuche e ji ede ya, nke bụ ụzọ e si akpa ndị mmadụ obi ụto, ma agụmagụ ọnụ ma nke ederede nke nwere ngalaba atọ: akụkọ, abụ na ejije. Ọ gakwara n'ihu na-ekwu sị na, agụmagụ sitere na mmekọrịta ekereuche mmadụ nke o chepụtara site n'ihe ọ maara, werekwa asụsụ nka depụta ya, iji zipụta ihe dị iche iche gbasara ndụ na ụwa anyị nọ n'ime ya.

Ọgbalụ (1972) kọwara na agụmagụ ọdinala na nke ugbua bụ nke e jiri nka pụrụ iche dee ma zipụta n'asụsụ Igbo. N'ebe a, ọ kọwara uru nka dị n'ide agụmagụ, tinyere ọnọdụ asụsụ n'agụmagụ ọbụla. O ji asụsụ Igbo nye ọmụmaatụ ka o si bụrụ ngwa e ji zipụta agụmagụ ọdịnala na nke ugbua. Nwadike (1981) kwuru na agụmagụ dị ka mkpokọta/nchịkọta ihe e dere ede, nke na-akpọlite mmụọ mmadụ. Nke a zipụtara na ọ bụghị ihe nille e dere n'akwụkwọ bụ agụmagụ maọbụ na-akpọlite mmụọ mmadụ. O nwere ike ọ bụrụ akwụkwọ leta nkịtị, sayensị, ha abụghị akwụkwọ agụmagụ n'ihi na akwụkwọ agụmagụ kwesịrị inye amamihe, obi ọma maọbụ obi ọjọọ ka o wee kwụrụ chịm.

Ifeka (2009) Kọwara na agụmagụ bụ edereede maọbụ akọrọakọ nke na-enye obi aṅ ụrị, afọ ojuju na amamihe na mkpalite uche. Odee a mere ka ọhanaeze mara na agụmagụ nke e dere ede na nke a gụrụ n'ọnụ, e deghị ede na-eme ka ọgụụ nwee mmetụta nke mmụọ. Ọ kọwaghị na agụmagụ bụ asụsụ nka ka e ji ezipụta ya n'ihi na e wepụ asụsụ, o nweghị ihe a ga-eji zipụta agụmagụ.

Na nchịkọta nkọwa ndị a niile, agụmagụ bụ ihe ọbụla sitere n’ekere uche pụta ma e werekwa asụsụ nka detuo ya nke a na-esi na ya ezipụta ebimndụ ndị na nhụrụụwa ha.

**Ihe Bụ Ejije**

Ejije so n’otu ngalaba agụmagụ ma bụrụkwa ebe ngwa isiokwu nchọcha a gbadoro ụkwụ. Ejije bụ otu n’ ime ngalaba agụmagụ bụ akụkụ e tinyere n’ụdị mkparịtaụka na mmeghar̄ị ahụ, nke agwa dị iche iche na-egosị na nkwago/obom n’ ihu ọhanaeze.

Nwadike (1991) na nkọwa nke ya sị na ejije bụ ụdị agụmagụ e mebere maka obom na-ewere ọnọdụ ka agwa, mee ihe mmepụta ma kwuo ihe ndị a na-ekwu n’ụdị mkparịtaụka. Nkọwa Nwadike mere ka a mata na ọ bụghị ejije ma ọ bụrụ na e nweghị obom. Ihe niile ndị ngosi na-egosi ga-abụrịrị n’elu obom maọbụ n’elu nkwago. N’ihi nke a, obom bụ ihe dị ezigbo mkpa n’ejije ndị Igbo.

Ogbalu (2015) na-akọwa na ejije bụ njije a na-ejije ihe mmadụ mere. N’oge e mere ya na mbụ, ọ bụghị ejije mana e megharịa ya ọ bụrụ ejije. Nkọwa a pụtara na ejije abụghị ejije ma ọ bụrụ na e jijeghị ihe onye ahụ maọbụ agwa onye ahụ kpara na mbụ. Amaechi (2005) na nkọwa nke ya banyere ejije na-ekwu na ejije bụ ijije mmadụ ma bụrụkwa nke a na-egosipụta n’elu obom. Site na nkọwa ya, njije bụ ihe a na-ahụkarị n’ejije. Njije a gụnyere agwa na akparamagwa nke e ji ejije ihe niile ahụ a rụtụrụ aka maọbụ ihe ahụ nke a na-ejije.

Boulton (1980) na nkọwa nke ya na-akọwa na ejije abụghị edemede, kama ọ bụ ihe a na-emegharị ahụ na ya bụ ejije ma gosịpụta ya n’ihu ndị mmadụ. N’ihi nke a, ejije ga-abụkwa emereme. Ihe nkọwa a pụtara bụ na tupu a kpọọ agụmagụ ọbụla ejije, ọ ga-enwerịrị mmadụ karịrị otu maọbụ abụọ ga-ezipụta ya, ma nwekwaa ebe a na-egosi ya na ndị a na-egosị ya. Ndị na-ekiri ya na-anọkwa otu ebe.

Eze (1997) kwuru na ejije so n'otu ihe ndị Igbo nke e kwuru n'ọnụ maọbụ nke ugbua e dere ede, ma bụrụkwa nke a na-eme n'elu obom. Na nkọwa Eze, o kwuru na ejije bụ ihe e dere ede nke mkpa obi ọma, ejije ọdachi na-ebute mwute na ịkwa arịrị ebe ejije obi ọma na-ejedebe n'ihe obi aṅ ụrị.

**Ndị Bụ Ndị Igbo Na Omenala Ha**

Ndị Igbo bụ ndị isi ojii, ha bụ ndị a na-ahụ na mpaghara ọwụwa anyanwụ nke Naịjirịa. asụsụ ha bụ asụsụ Igbo. Ha bụ ndị na-arụsi ọrụ ike, ndị oke ọchịchọ na ndị na-agba oke mbọ. Ha nwere steeti ise ebe ha bi kpọmkwem. Ha gụnyere; Abịa, Imo, Enugu, Anambra na Ebonyi. Ụfọdụ bikwa n'ọdịda anyanwụ Naịjirịa n'ime steeti Cross River, Delta na Rivers. Ndị Igbo bụ ndị e ji ịgbasị mbọ ike mara. Ndị Igbo ka n'ọnụọgụ (ihe dị ka nde iri abụọ (20 million)) bi n'akụkụ ọwụwa anyanwụ nke ndịda Naịjirịa (2006 Sensus). Ndị Igbo na-elekọtakwa ndị ọbịa anya nke ọma, ha anakwaghị echezọ ala nna ha.

Omenala bụ ụzọ obibi ndụ agbụrụ dị iche iche. Ndị Igbo nwere omenala ha gụnyere asụsụ Igbo, ekike, ikpe ikpe, ekpemekpe, akaọrụ, na ndị ọzọga. Omenala bụ ihe nchepụta dị iche iche sitere n'obi a chịkọtara ọnụ nke mere ka otu agbụrụ dị iche n'agbụrụ ndị ọzọ. Omenala agbụrụ niile abụghị otu. Omenala na ọdịnala ndị a gụnyere ihe ndị Igbo na-ahụ anya, ịgụ egwu na ịgba egwu, ejiji ha, nri na asụsụ ha. E nwere ọtụtụ omenala dị iche iche a na-emegasị n'ala Igbo, ụfọdụ n'ime ha gụnyere; Ọjị, ike ekpe, iri ekpe, ichi ọzọ, alụmdi, ọmụgwọ, ịgụ nwa aha, na ndị ọzọ.

**Nnyocha Edemede Nchọpụtaga**

Nwanchọcha nyochara nchọcha ederela banyere ejije na omenala ndị Igbo, bụ nke isiokwu nchọcha a gbadoro ụkwụ na ya.

Akpụ (2014) na nchọcha ya bụ "Nsọala n'Obodo Ụfọdụ n'Ala Igbo" nyochara akwụkwọ agụmagụ ejije Onyekaọnwụ bụ *Eriri Mara Ngwugwu, Ọkụ Ghara Ite, na Nwata Rie Awọ*, bụ nke gbadoro ụkwụ n'igosịpụta arụ maọbụ nsọala dị ka omenala Igbo siri dị. Site na inyocha akwụkwọ agụmagụ ndị a, Akpu gbadoro ụkwụ izipụta naanị nsọala ndị pụtara ihe n'agụmagụ ejije ndị ahụ, nke gụ nyere; nna na nwa ya inwe mmekọ edina, nna ịlụ nwa ya nwaanyị, nna ịtọrọ nwa ya refuo n'afọ ime.

Ibe (2016) N'edemede ya "The Igbo Cultural Identity in Travail" kwuru na n'oge mbụ, a maara ndị Igbo dị ka ndị na-akọ ọrụ ugbo n'ebe ọ dị ukwu mana, ọbịbịa ndị ọcha bịara n'ala Igbo wee chọpụta mmanụ n'ala Igbo, mere ka e leghara ọrụ ugbo anya ma chee na ọ bụ naanị n'igwute mmanụ ka e si enweta ego, nke mere na ọtụtụ ndị ntorobịa jiri daa ngana ma chịkọba aka na okpa kama iburu ọgụ baa ugbo. Ihe ndị a na ọtụtụ ihe ndị ọzọ ka o gosipụtara na mwute wee tụpụta alo ọzọ dị iche iche a ga-esi weghachi, chekwaba ma gbasaa omenala Igbo nke gụnyere ụzọ ndị a; ịtụgharị omenala, ikpokọba na ichekwaba omenala Igbo site n'ihe ederede.
Akpụ na Ibe arụtụghị aka n'omenala ndị ọzọ. Nke a mere nwanchọcha jiri lechaa anya wee hụ mkpa ọ dị ime nchọcha n'isiokwu nchọcha a iji site na ya wepụta omenala ndị ọzọ odee emetughị aka n'akwụkwọ agụmagụ ejije ndị a họọrọ, iji gosipụta otu ndị odee siri zipụta omenala ụfọdụ ndị a n'edemede ha, iji mee ka omenala ndị a ghara ịnwụ pịịị ma nyekwa aka ịhụ na a gbasara ha site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ n'ihi na omenala bụ ụzọ e si amata usoro obibi ndụ mba ọbụla n'ozuzu oke.

## Atụtụ Nchọcha

Atụtụ nchọcha dabara iji nyochaa akwụkwọ agụmagụ ejije ndị a họọrọ bụ **Atụtụ Kọlchọral Matịrịalizim** (Cultural Materialism Theory). Marvin Harris, onye bụ nna atụtụ a wepụtara atụtụ n'afọ

**1960**, mana ọ bụ Raymond Williams mere ka atụtụ a na-ewu ewu ma bụrụ nke a maara nke ọma na ngwụcha afọ **1970**.

Atụtụ a bụ usoro echiche iji nyochaa ederede omenala. Ọ na-agba mbọ ijikọta agụmagụ ọbụla site n'oge e dere ya ma wepụtasịa omenala oge ahụ. Atụtụ a na-agbado ụkwụ n'ịlebanye anya n'ihe ndị megasịrị na ka ihe ndị ahụ mere na omenala siri pụta ihe. A na-eme nke a iji ghọta nke ọma ihe bụ isite n'akwụkwọ agụmagụ, nyochaa omenala ndị megasịrị n'ime akwụkwọ agụmagụ ahụ, na-abụghị iwere akụkọ ahụ ka e si hụta ya.

Uru atụtụ a bara bụ na ọ na-enyocha ma zipụtakwa omenala, usoro ọchịchị na usoro obidi ndụ ndị, nke ga-enyere ọgụụ aka ịchọpụta ma ghọta ebe odee hiwere agụmagụ ya isi,

**Nzipụta omenala na nkwenye ndị Igbo pụtara ihe n'akwụkwọ agụmagụ ejije ndị a họọrọ.**

Dị ka atụtụ Kọlchọral Matịrịalizim (Cultural Materialism Theory) nke nwanchọcha ji mee nchọcha siri tụzie aka, atụtụ a bụ echiche iji nyochaa ederede omenala. Ọ na-agba mbọ ijikọta agụmagụ ọbụla site n'oge e dere ya ma wepụtasịa omenala na nkwenye oge ahụ. Omenala na nkwenye ndị Igbo pụtara ìhè n'akwụkwọ agụmagụ ejije ndị a họọrọ nke a ga-elebanye anya na ya gunyere;

A). Ịwa Ọjị/Ịgọ Ọjị
B). Ịṅ ụ Iyi
CH). Ịgba Ọsọ Ọchụ
D). Ọfọ
E). Ịgụ Nwa Aha
F). Ịgba Afa Ụgha

**A). Ịwa Ọjị/Ịgọ Ọjị:** Iwa/ịgọ ọjị bụ otu n'ime omenala ndị Igbo kwụzuru akwụzu ma bụrụkwa akwaa, a kwụrụ. Ọ bụ omenala ndị Igbo dị ọkpụ. Ọjị bụ isi mmemme n'ala Igbo, ọ bụ ya ka ha ji anabata

ndị ọbịa. Ọjị na-akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya, mmadụ na Chineke nke ekpemekpe ọdịnala hidoro isi na ya. Ọmụmatụ dị n'akwụkwọ ejije *Ụwa Ntọọọ*: 18 – 19

Na mmemme ịgụ nwa Ebubedike na Ọnụkwube aha, ka mmemme ahụ bidoro, Ebubedike gwara Ọnụkwube ka o wetara ha ọjị, bụ nke Ọnụkwube mere. Ọ sịrị;

**Ọnụkwube:** (*Bunye dị ya ọjị n'aka)*
Nna m ukwu, nke a bụ ọjị o
Ndị di m nnọnụ ọ.
(*Ha asị ya bịa kelee ha; ya gakwuru ha ga biwe ha ọma n'otú n'otú*).

**Ebubedike:** Nna anyị Ekwegbara biko lee ọjị ka ị gọziere anyị.

(*Bunye ya ọjị*)

**Ekweagbara:** (*Nara ya ọjị, dụchaa, kwacharịa).*
Onye okike bịa nara ànyị ọjị waa
Oduma, mmụọ nwe anyị, ọjị abịa
Anyị hụrụ idee na ọsọ, anyị amaghị ihe na-achụ ya
Osisi hụrụ anyị atụ nkwe, ufere mabiri ya ọnụ
Anyị nọrọ n'ihu, ka ihe ọjọọ nọrọ n'azụ
Anyị nọrọ n'azụ, ka ihe ọjọọ nọrọ n'ihu
Ihe ọma ka anyị na-arịọ n'aka Olisa
Ka ihe ọma na-emere Ebubedike na ezinaụlọ ya
Dị ka o siri mere ya ugbu a
Ka ihe ọma meere anyị dum n'otú n'otú
Ndụ anyị niile o
Onye anwụchula ma ibe ya efula ọ.

**Ọha Mmadụ:** Isee! Ichie Akaọrụ,
Į gọọla ya o ọ!!
(*Otú nwa okorobịa abịa buru ọjị kee mmadụ dum).*

Ebe ọzọ a gọrọ ọjị bụ n'ime akwụkwọ agụmagụ *Ọkụ Ghara Ite*: 42 – 43

Ka Akụebuo bịara be Ụkpaabi ịleta ya, ọ gwara nwunye ya nke abụọ bụ Obidiya ka o wetara ha ọjị. Ka Obidiya wetaara ha ọjị ahụ, Ụkpaabi gwara Akụebuo na ya onwe ya agọọla ọjị ụtụtụ wee sị Akụebuo ka ọ gọọ ọjị ahụ. Akụebuo wee si;

**Akụebuo:** (*Kulite gaa nara ya efere ọjị)*
Ọ dị mma, ebe i sịrị mụ waa, ka m waanụ
Amatala m na ọkụ a gụnyere mụ bụ nwata n'aka agaghị eregbu m

(*Ya amalite gọwa ọjị)*
Ndị nwe anyị, ndị anyị na-ahụ anya na ndi anyị adịghị ahụ anya
Gbaanụ zuzugbe, bịa nara anyị ọjị waa.
Ihe anyị na-arịọ n'aka unu bụ ogologo ndụ na ahụ ike
Ihe ọma kpọọ anyị ihu, ma nke ọjọọ gbafuo
Anụ kpaa, anụ kpaa, nke na-ekweghị ibe ya kpaa, ọwa ya chie
Gedegede ka ịgba na-ada, ma ọ dawa pum pum, a mara na ihe dị ya.

Nwanne m nwoke bụ Ụkpaabi adakarịala pum pum

N'agbanyeghị na anyị na ya nọ n'Oduma
Bịanụ mee ka ọ dawa Gedegede ọ,
N'ihi na ọ na-abụ ngwere nọkarịa n'uji, ọ bụrụ aghọ
Ma nke a emeghị, a jụwa ihe kpatara ya
Meenụ ya ka ọ ghọzie aghọ
Ụmụntakịrị e emee chee na ọ bụ ngwere nkịtị wee tụtụrụ ya hụrịa n'ọkụ o
Ahaa m ka m ji o
*(Ụkpaabi ekele Ịhaa, tuo Akụebuo aha ya - Ọba. Ha abụọ ewerechaa ọjị taa)*

**Ụkpaabi:** Akụebuo ekele m gị n'ọjị a ị wara

Ọ dị ka ị matara ihe dị m n'uche.

**B). Ịṅ ụ Iyi:** Ndị Igbo kwenyere n'ịṅ ụ iyi. Ụfọdụ na-akpọ ya ịdụ isi. Ha kwenyere na ịṅ ụ iyi dị irè na-egbukwa egbu. Ha kwenyere na onye ṅ ụọ iyi asị na ọ ga-egbu ya maọbụ butere ezinaụlọ ya ọdachi. Ọ bụ mgbe mmadụ na-achọ ịgọpụ ebubo e boro ya ka e ji ebunye ya iyi ka ọ ṅ ụọ. Ịṅ ụ iyi bụ otu ụzọ ndị Igbo si edozi esemokwu. Ọmụmatụ dị n'akwụkwọ ejije *Ụwa Ntọọ*: 46 – 47
Ka Agameevu chọpụtara na Oguamalam amatala na ọ bụ ya gburu nna ya Ebubedike, o jiri mma chụwa ya ọsọ ka o gbuo, mana Oguamalam gbapụrụ ọsọ gbalaa obodo nna ya bụ Ụmụinwere. Ka ọ batara kọọrọ Ekwegbara ihe mere, ọ kpọkọrọ ụmụnna ha gwa ha ihe na-eme. Ka ha nụchara ihe Agameevu mere, ha kwekọrịtara na ha ga-aga ịbọ ọbọ. Ha nọ ebe ahụ ṅ ụọ iyi na o nweghị onye ga-ekwu ihe ha bu n'uche ime maọbụ kọọrọ ya onye ọzọ. Ka eze mmụọ no ebe ahụ, ọ wagharịa akpa ya wepụta ọfọ o ji efe ogwugwu Ụmụinwere, wepụta ya ka onye ọbụla bịa ṅ ụrụ iyi sị;

**Eze mmụọ:** Ngwanụ, bịanụ n'otú n'otú, onye bịaruo, ihe ọ ga-ekwu bụ
Ka m ga-ejewe ejewe, lawa alawa, mekata sụta ihe anyị kwuru n'ebe a n'ude, ọfọ na ala Ụmụinwere kụgbukwee m.
*(Eze mmụọ amalite bụrụ ụzọ dụọ isi. Ka o mechara, ndị ọzọ abịawa n'otú n'otú dụwa nke ha. Ka ha mechara, ha ekulite lawa).*

Ebe ọzọ a ṅ ụrụ iyi bụ n'akwụkwọ ejije *Ọkụ Ghara Ite*: 55
Ka afọ ise gachara Ụkpaabi na ndị ezinaụlọ ya gbara ọsọ ndụ gbaga Kakanda, onye chekwara ya na ezinaụlọ bụ Dunu Okpokiri nyere ya ala ebe ọ ga-arụ ụlọ nke ya. Mana, otu nwoke onye Kakanda a na-akpọ Ichie Igirigi na-azọ ala ahụ sị na ọ bụ nke ya. E wee kpebie na a ga-aṅ ụrụ ya bụ ala iyi. Ụbọchị ịṅ ụ iyi ahụ, Eze mmụọ wee sị ha;
**Eze mmụọ:** **…** Ụgbu a, mmadụ abụọ ndị a – onye ga-aṅ ụ iyi na onye a
Ga-aṅ ụrụ iyi, Pụtanụ bịa kwukete iyi a
*(Ha abụọ apụta)*
Mmadụ abụọ ndị ga-ebikwasị onye ga-aṅ ụ iyi aka pụtanụ
*(Mmadụ abụọ ndị ụmụnna Dunu Okpokiri apụta)*

Dunu Okpokiri, ihe ị ga-aṅ ụ n'iyi bu; Mkpamkpa, ọ bụrụdịkwọ n'ala Uhumgboko a m na azọ-azọ abụghị nke m, gbuo m, kpochapụ ezi na ụlọ m, kpokọrọ ihe niile m nwere, were azịza zachapụ aha m kpam kpam n'ụwa a. Ugbu a, ndị ga-ebikwasị Dunu Okpokiri aka, ha bikwasị ya ka ọ ṅ ụọrọ Ichie Igirigi iyi.
*(Ha abụọ ebikwasị Dunu Okpokiri aka, Dunu wee malite ṅ ụọ iyi ahụ n'usoro e siri gwa ya. Ka nke a*

*mechara, ndị mmadụ nọ ebe ahụ malite mewe ụzụ na-achọ ịgbasasị).*

**CH). Ịgba Ọsọ Ọchụ:** Nwanne igbu nwanne ya maọbụ mmadụ igbu mmadụ ibe ya bụ arụ n'ala Igbo. Oge gboo, mmadụ gbuo ibe ya n'amaghị ama, omenala ji ya na ọ ga-agba ọsọ ọchụ. N'otu aka ahụ, onye mara ụma gbuo ibe ya, a chụpụ ya n'obodo, ọ na-agbalakarị ikwu nne ya n'ihi na ikwu nne anaghị ajụ nwa nwanne ha ma ọ dị njọ ma ọ dị mma, maọbụ onye ahụ agbalaga obodo ọzọ. Ọmụmatụ dị n'akwụkwọ ejije *Ụwa Ntọọọ*: 65

Ka Agameevu matara na a chọpụtala na ọ bụ ya gburu Ebubedike, ọ gbara ọsọ ọchụ gbalaa obodo Amaoji. Ka ọtụtụ afọ gachara, Oguamalam zutekwara nwanne ya bụ Uwadiogbu mgbe ọ na-achọ ịbịa okwu alụmdi nwanne ya nwaanyị nke ọ maghị na ọ bụ kwa nwanne ya. Oguamalam wee jụọ Uwadiogbu ihe mere ha achọbeghị ịlọghachite Isungodo. Ọ sịrị ya;

**Oguamalam:** **...** Ehee, Uwadiogbu,

O rukweelanụ afọ iri abụọ ụnụ jiri hapụ Isungodo dị ka iwu

obodo anyị siri dị, onye gbara ọsọ ọchụ nọrọla iri afọ abụọ

nweziri ike ịbịa meere ndị be ha omenala wee lọghachi.

Gịnị ka gị na nna gị na-eche maka okwu a?

**D). Ọfọ:** Ọfọ bụ mkpirisi osisi si n’osisi a na-akpọ ọfọ pụta. Ndị Igbo na-akwanyere osisi ọfọ ugwu site na nkwenye ha na ọfọ bụ akara eziokwu na ikpe nkwụmọọtọ. Ndị Igbo kwenyere na ọ bụ ọfọ na-ejikọ obi ndịichie niile nke ezinaụlọ, nke ụmụnna, nke ogbe na nke obodo ọnụ. Mgbe ọbụla e kwuchara okwu kụọ ọfọ n’ala, etu ahụ ka okwu ahụ ga-adị. Ọmụmatụ dị n’akwụkwọ ejije *Ụwa Ntọọ*: 14 – 15.

Ka Ebubedike nọ na-achịgharị obi ya banyere ọkwụkwa a kwara ya na ndụ, nwanne ya nwaanyị bụ Ekeụbụ bịakwutere ya wee kọọrọ ya nrọ ọ rọrọ maka ya. Ebubedike wee sị ya;

**Ebubedike:** Nwanne m nwaanyị, ọ bụnụghị ndụ ọ bụrụ ọnwụ
Kama na otu ihe m maara bụ, na aka m dị ọcha;
Ejighị m ihe nwoke, ejighị m ihe nwaanyị
Ala Isungodo maara na aka m dị ọcha.
Ebe isi akụkọ a dị, ọ bụkwọ na m gaara Idungodo ọgụ?
Isungodo, ihe mekata mee m, ọbọ ga-abụ nke gị.

**Ekeubu:** Bụfuo! Bụchaa! Sị ọ bụrụ ọgwụ na ọ gaghị ere.
Ọ dịghị ihe ga-eme gi
Anyị Ji ọfọ jide ogu
Ị bụzikwa dike n’agha?
Ebubedike nwa Ezeanyim
Bụchaa!

**E). Ịgụ Nwa Aha:** Mmadu niile dị n’ụwa nwere aha ha na-aza n’otu n’otu. N’ala Igbo niile, ndị mmadụ na-enye nwa aha mgbe o ruru izu asaa. Mgbe mmadụ nyere nwa ya aha ọjọọ, ndi Igbo kwenyere na ihe ọjọọ ga-achọga ya, mgbe e nyere ya aha ọma, ihe ọma ga na-akpo ya ihu mgbe niile. Ọmụmatụ ịgụ nwa aha dị n’akwụkwọ ejije *Ụwa Ntọọ*: 19 – 20; bụ ebe e mere emume ịgụ nwa Ebubedike na Ọnụkwube aha. E kunyere Ekwegbara nwa ọhụrụ ahụ, o kuru ya gaa n’okwu chi wee si;

**Ekwegbara:** Oriakụ m, kutere anyị nwa,
ka anyị gaa n'okwu chi mee omenala.
(*Ọnụkwube ekutere ya nwa: ha dum esọkọrọ wee gaa n'okwu chi dị n'isi ụlọ;*
*Ekwegbara ekuru nwa ahụ gaa hulata n'ihu okwu chi ndị ọzọ gbaa ya okirikiri).*
Nwụnye m ọkụkọ nsacha ara nwa
(*ha awụnye ya ọkụkọ, ya ewere ọkụkọ ahụ fee nwata ahụ n'isi ugboro atọ)*
M kwuo, unu a na-ekwuso m
Ndị mbụ na ndị egede

**Ọha Mmadụ:** Ndị mbụ na ndị egede

**Ekwegbara:** Oduma, agbara anyị
Ogbuogebe mụtara Ezeanyịm
Ezeanyim mụtara Ebubedike
Leenụ nwa bịara ụwa
O jewe ejewe lawa alawa ka ụkwụ ghara ịkpọ ya
Ka ọ nọkaara anyị nka
Wee zụọ nna ya na nne ya, dị ka ha ga-esi wee zụọ ya.
Ala Isungodo, ọ bụzịnụ ọfọ na ogu o!

**Ọha Mmadụ:** Iyaa!
(*Ya ewere nzu tesa nwata ahụ n'ihu, wara ọjị tinye n'ọnụ, tatụ, bụsa ya*
*n'ihu chi ahụ; tara mmanya tasa n'ihu chi).*

**Ekwegbara:** Ebubedike, olee aha ụnụ nyere nwa a?

**Ebubedike:** Oguamalam.

**Ekwegbara:** Oguamalam! Ogu ọ ga-amanụ ụma ma anyị
Ndị be anyị ụnụ anụlanụ o!

**Ọha Mmadụ:** Oguamala anyị oooo! Aha nke a abụrụ ya o!

(*Ekwegbara ekuru nwa kunye Ọnụkwube, mmadụ dum ekulie gawakwa ebe ha nọbu na mbụ. Ka ha nọrọchara ala, ụmụ nwaanyị malịtere gụwa egwu).*

**F). Ịgba Afa Ụgha:** Ịgba afa ụgha bụkwa arụ n'ala Igbo n'ihi na a maara ndị dibịa afa dị ka ndi nọ n'etiti mmụọ na mmadụ. Ọ bụ naanị nke bụ eziokwu ndị mmụọ gwara ha ka ha na-agwa ndị mmadụ. Mana mgbe ụfọdụ, dibịa afa nwere ike ịgba afa ụgha bụ nke na-ebutere obodo ihe ọjọọ maọbụ ịtụfụ ọtụtụ ego iji kpụọ arụ ha mere. Ọmụmatụ dị n'akwụkwọ ejije *Ụwa Ntọọọ*: 10

Akpakaudele bụ dibịa afa ndị Isungodo gbaara ndị obodo Isungodo afa ụgha na Ebubedike anwụọla ebe ọ ka dị ndụ. Nke a mere na ha bidoro kwawa ya na ndụ na-amaghị ama, nke abụ arụ n'ala Igbo. Ka Ebubedike batara be ya, Agameevu sịrị;

**Agameevu:** Ụnụ echefuola na ọ bụ Akpakaudele nyụrụ ihe na-esigbu anyị ihe a; Na ọ bụ Akpakaudele gbaara anyị afa ụgha, wee kaara anyị na Ebubedike anwụọla. Ọha obodo wee jiri maka okwu ụgha a wee daba n'arụ.

**Ka Omenala na Nkwenye Ndị Igbo Pụtara Ihe n'Ejije Ndị A Họọrọ Si Enye Aka n'Ịhazi Ndụ Na Akparamagwa Ndị Igbo.**

Omenala na nkwenye ndị Igbo pụtara ihe n'akwụkwọ agụmagụ ejije ndị a họọrọ na ka ha si enye aka n'ịhazi ndụ na akparamagwa ndị Igbo gụnyere;

**A). Ịwa Ọjị/Igọ Ọjị:** Ọjị na ịwa ọjị dị oke mkpa n'omenala ndị Igbo. Ọ bụkwa omenala jikọtara Igbo niile ọnụ. Tupu a waa ọjị n'ala Igbo,

a na-ebu ụzọ gọọ ọjị (kpeere ya ekpere). Ọ bụ iwu na onye kachasị bụrụ okenye ga-agọ ọjị, ebe ụfọdụ na-enye onye kacha bụrụ nwata ka ọ waa ya ma kesaa ya. Nwoke anaghị awa ọjị na be ndị ọgọ ya, ọ gaghị awakwa ọjị ebe ndị tọrọ ya nọ na-abụghị ma ha nyere ya ikike ịwa ya.

N'ala Igbo, ọ bụkwa iwu na nwaanyị anaghị awa maọbụ agọ ọjị, nwaanyị anaghị arị elu ọjị, ọ naghị aghọtu ọjị n'osisi ya. Ụdị iwu na nkwanye ugwu ndị Igbo nyere ọjị na-enye aka ịchekwa ndụ na akparamagwa ndị Igbo n'agbanyeghị ebe ọbụla ha hụtara onwe ha.

**B). Ịṅ ụ Iyi:** Iṅ ụ iyi bụ mmadụ iji ihe karịrị ya kwe nkwa maọbụ gọrọ onwe ya na aka ya dị ọcha maọbụ na ihe a na-ebo ya n'ebubo abụghị eziokwu. A na-aṅ ụ iyi n'esemokwu dị ka ịzọ ala maọbụ nnukwu ebubo. A na-aṅ ụ iyi n'arụsị, obi, maọbụ n'ala ndị ichie. Ịṅ ụ iyi na-enye aka ịhazi ndụ na akparamagwa ndị Igbo n'ihi na, ọ na-eme ka ha gbaa mbọ na-ekwu eziokwu mgbe niile. Onye ṅ ụọ iyi asị, arụsị maọbụ ihe ọ ji ṅ ụọ iyi ga-egbu ya maọbụ mee ka ihe ọjọọ dakwasị onye dị etu ahụ. Nke mere na tupu mmadụ aṅ ụ wa iyi, ọ ga-agba mbọ hụ na aka ya dị ọ cha.

**CH). Ịgba Ọsọ Ọchụ:** N'ala Igbo, onye mee ihe ala na-asọ nsọ, ọkachasị igbu mmadụ, onye ahụ ga-agba ọsọ ọchụ, gaa obodo ọzọ tere aka maọ bụ ebe amaghị ihe ọ mere maka na ha mara arụ ọ kpara, ha agaghị ekwe nabata ya biri afọ ole na ole. Ihe dị otu a ga-anabata ya. Ọ bụ ihe dị otu a mere na ụ fọ dụ na-agbaga ikwunne ha, ebe a ga-anabata ha maka na anaghị ajụ nwadiala ajụ . Ọ bụrụ na ọ nọchaa afọ ole o kwesịrị ịnọ wee chọọ ịlaghachi obodo ya, ọ ga-ebu ụzọ kpụọ arụ, mee omenala dị na ya tupu a nabatakwa ya ọzọ n'obodo ya. Nke a na-enye aka ịhazi ndụ na akparamagwa ndị Igbo n'ihi na, ọ na-eme ka ha na-agba mbọ ebi ezi ndụ, zeere

mpụ na arụrụala ọkachasị arụ igbu mmadụ n'ihi na, ndị Igbo kwenyere na ọ bụ naanị Chi kere mmadụ nwere ikike iwere ndụ onye ahụ.

**D). Ọfọ:** Ọfọ bụ mkpirisi osisi si n'osisi a na-akpọ 'ọfọ' pụta. Ndị Igbo na-akwanyere osisi ọfọ ugwu site na nkwenye ha na ọfọ bụ akara eziokwu na ikpe nkwụmọọtọ. Ọ bụkwa isi sekpụ ntị n'ofufe na ekpemekpe ndị Igbo. Ọfọ na-enye aka ịhazi ndụ na akparamagwa ndị Igbo n'ihi na, ndị Igbo kwenyere na ọ bụ ọfọ na-ejikọ obi ndịichie niile nke ezinụụlọ, nke ụmụnna, nke ogbe na nke obodo. Onye ọ bụ la gbaghara, ihe ọ hụ rụ o were n'ihi na ndị Igbo kwenyere na ndị ichie ga-ebuso ya agha.

**E). Ịgụ Nwa Aha:** Aha mmadụ bụ ihe e jiri mara ya. N'omenala Igbo, ha na-agụ nwa aha n'ụbọchị nke asatọ site n'ụbọchị a mụrụ ya. Ndị Igbo na-asị na aha onye na-edu ya. Ihe nke a pụtara bụ na mmadụ na-eme omume maọbụ na ihe na-eme na ndụ ya dị ka aha a gụrụ ya si dị. Ya mere o ji dị mkpa na-a gụrụ nwatakịrị aha ziri ezi nke ga na-ewetakwara ya ngọzi na ihe ọma. Ka o si enye aka n'ịhazi ndụ na akparamagwa ndị Igbo bụ na, ndị Igbo kwenyere na aha a gụrụ mmadụ na-eso ya. Ọ bụ n'ihi nke a ka ha na-eji eche echiche nke ọma tupu ha agụọ nwa ha aha.

**F). Ịgba Afa:** Ịgba afa bụ ụzọ ndị Igbo si ajụpụta ihe nzuzo banyere ndụ mmadụ, ọnọdụ nakwa ihe metụtara ya nke a na-akpọ ịjụ ese. Onye na-agba afa bụ onye dibị a nwere onyinye pụrụ iche ịchọpụta ọtụtụ ihe zoro ezo mere n'oge gara aga, na-eme ugbua maọ bụ ga-eme n'ọ dị nihu. E nwere ike ịkpọ ya dibị a afa, dibị a ọgbaaja, dibị a nnyocha, dgz. Ka o si enye aka n'ịhazi ndụ na akparamagwa ndị Igbo bụ na Ịgba afa na-enyere ndị Igbo aka ịsụ ụzọ ha ka ihe ọbụla bụ ihe ọjọọ ghara ịnọchiri ha ụzọ. Ọ bụrụkwa na ihe ọjọọ

dakwasị ha n'obodo ha maọbụ ihe anaghị aga ka o kwesịrị, ha na-aga agba afa iji mata ihe kpatara ya, na ihe ha ga-eme iji gbochie ya.

**Nchịkọta**

Nwanchọcha lebara anya na nzipụta na nchekwa omenala na nkwenye ndị Igbo site n'akwụkwọ agụmagụ ejije abụọ a họọrọ. Iji chọpụta ka ndị odee akwụkwọ agụmagụ ejije Igbo si agba mbọ zipụta ma were ọrụ ha na-echekwa omenala na nkwenye ndị Igbo n'ihi na, agụmagụ na-echekwa omenala na nkwenye agbụrụ nwe ya. Nwanchqcha gbakwara mbọ inyocha akwụkwọ agụmagụ ejije abụọ a họọrọ mee nchọcha a, ma gosipụta ka ndị odee akwụkwọ agụmagụ ejije a si jiri akwụkwọ agụmagụ ha, zipụta omenala na nkwenye ndị Igbo, bụ nke na-enye aka ịgbazi ndụ na akparamagwa ha.

**Mmechi**

Ndị odee akwụkwọ agụmagụ ejije abụọ nwanchọcha họọrọ e ji mee nchọcha a gbalịrị nke ukwuu. Isiokwu ha họọrọ dabara n'akụkọ ha dere. Ha zipụtara ma gbaa n'anwụ omenala na nkwenye ndị Igbo, bụ nke na-enye aka ịgbazi ndụ na akparamagwa ha. A na-atụ anya na onye ọbụla na-enwe mmasị ide akwụkwọ agụmagụ ejije n'ọdịniihu, ka ha ṅ omie ọrụ ndị odee akwụkwọ agụmagụ ejije abụ ọ a nwanchọcha họọrọ e ji mee nchọcha a, ọkachasị mgbe ọ bụ ihe metụtara omenala na nkwenye ndị Igbo. Ha ga-agbadosikwa ụkwụ ike n'izipụta omenala na nkwenye ndị Igbo ndị ọzọ jupụtara n'ala Igbo, bụ ndị apụtaghị ihe na nchọcha a, ma gbaa ha niile n'anwụ ka ọhanaeze lebanye anya na ha.

**Edemsibịa**

Amechi, M. I. (2005). *Comprehensive Literature.* Oxford University Press.

Anizoba, O. M. (2004). *Nkọwa Ndụ Ndị Igbo.* Lecture notes.

Boulton, M. (1980). *Anatomy of Drama*. Boultledge & Kegan Paul.

Ekwealor, C. C. (2011). *Omenala na Ewumewu Igbo*. University Press.

Ezeuko, R. O. (2009). *Ewumewu, Omenala, Ofufe na Nkwenye Ndị Igbo*. MAS Founders.

Ibe, A. U. (2016). *The Igbo Cultural Identity in Travail*. Ideal International Journal of Igbo Scholars Forum 3(1).

Ifeka, O. R. (2009). *Mkpanaka Asụsụ Igbo Izugbe Maka Amụmamụ Asụsụ na Mahadum.* Top Shelves Publishers.

Nnyigide, N.M (2018). Nchịkọta Isi Akụkọ Dị n'Ejije Onyekaọnwụ Niile. The Eagle of Igbo Literature: A Festschrift in Honour of Prof G.O Onyekaọnwụ. Rex Charles and Patrick Publishers.

Nsolibe, T.O (2011). *Uju Ụtọasụsụ Igbo*. Perfect Image Publishers.

Nwadike, I. U. (1981). *Ntọala Na Nnyocha Agụmagụ Igbo.* DeGratias Publishers.

Ogbalu, F. C. (1972). Ndụ Ndị Igbo. University Publishing Company.

Ogbalu, F.C. (2015). *Ndụ Ndi Igbo.*University Publishing Company.

Onyekaonwu, G. O. (1988). *Ọkụ Ghara* Ite. Inserberg (Nigeria) Limited.

Onyekaonwu, G. O. (2001). *Ụwa Ntọọọ.* Intec Printers Limited

Udechukwu, G. I. (2014). Onye Nlere Anya Ndị Odee Ejije Igbo. *The Eagle of Igbo Literature: A Festschrift in Honour of Prof G. O. Onyekaọnwụ*. Rex Charles and Patrick Publishers.